*Nsukka Journal of the Humanities*

***June 2024**, 32, (2) www.njh.com.ng/*

*Article*

# Ịwulite Ụzọ Dị Irè Ịkwalite Mmasị Ụmụakwụkwọ Sekondịrị Nta N'ịmụta Akụkọ Ifo Igbo N'usoro Ntọala Agụmakwụkwọ N'okpuru Ọchịchị Ngwa, Steti Abia, Naịjirịa

**(Investigating the Strategies for Improving the Interest of Secondary School Students in Learning Igbo Folktales in the Context of Cultural Education in Ngwa, Abia State, Nigeria)**

**Roseline Ifeoma Eze[1], Chinenye Ezema[2]**
*Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka*
[1]roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng, [2]chinenye.ezema@unn.edu.ng
Correspondence: chinenye.ezema@unn.edu.ng

**Umị Edemede**

*Nchọcha a lebara anya n'usoro ịkwalite mmasị ụmụakwụkwọ sekondịrị nta n'ịmụta akụkọ ifo Igbo n'usoro ntọala agụmakwụkwọ n'okpuru ọchịchị Ngwa, Steti Abia, Naịjirịa. Ajụjụ nchọcha atọ ka eguzobere maka ọrụ nchọcha a n'usoro sọvee nkọwa. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị ogo nke abụọ dị puku abụọ, narị anọ na iri abụọ na itoolu (2,429). E ji usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ anọ nakwa ụmụakwụkwọ juniọ dị narị abụọ (200) n'okpuru ọchịchị ahụ. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ ajụjụ njụmaaza dị iri na ise (15) nke isiokwu ya bụ Usoro ikwalite mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo (UỊMỤJSIAI) n'ime okpuru ọchịchị Isiala Ngwa. Ndị ọkammụta abụọ na ngalaba Nka, otu na ngalaba Sayensị na Mahadum Naịjirịa, Nsụka lebara ya anya ma kwenye na ọ dabara n'isiokwu nchọcha e ji ya eme. Nchọpụta gosiri na ọ bụ naanị ụmụaka ole na ole na klasi na-akọta akụkọ ifo nke ọma. Ejighi ngwa nkụzi dabara adaba akuzi akụkọ ifo n'emetụta mmasị ụmụakwụkwọ n'isonye n'akụkọ ifo ala Igbo. Aro ndi nchọcha metutara Gọọmenti iwebata ngwa omenaala Igbo nakwa agụmagụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche maka ikpalite mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'akụkọ ifo ala Igbo.*

**Igodookwu:** *Ikwalite, ụmụakwụkwọ, akụkọ ifo, ndị Igbo*

**Abstact**

*Three research questions were formulated to guide the study. The population for the study consisted of 2,429 junior secondary school students in 20 schools selected from Ngwa Local Government Area, Abia State, Nigeria. A total of 200 students were sampled from four schools. The research instrument used was a 15-item questionnaire titled "Strategies for Improving the Interest of Junior Secondary School Students in Learning Igbo Folktales" (SJMUISIAI). Two experts from the Department of Arts and one from the Department of Science, University of Nigeria, Nsukka, validated the instrument. The findings revealed that only a few students in the class showed interest in Igbo folktales. There was no significant difference in the teaching methods used by teachers in promoting students' interest in Igbo folktales. The researchers recommend that the government should introduce Igbo cultural education and folktales in various schools to improve students' interest and appreciation for Igbo folktales.*

**Keywords:** *Excellence, students, folk tales, Igbo people*

## Ntọala Nchọcha

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrita site na ekwumekwu na mmegharịahụ. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si amata ebumnuche ibe ya. Ọ bu ụzọ nzikọrita ozi kacha ibe ya maka na ọ bụ site ya ka nghọta na mgbasaozi si enwe isi. Ossai, Eze, Chineke na Ụwakwe (2019) kọwara na asụsụ bụ nkwuputa echiche site n'ụda okwu na ahịrịokwu site n'echiche. N'ikwado nke a maka ezi mmekọrịta

**Copyright:** © 2024 by the authors. Submitted for possible open access publication under the terms and conditions of the Creative Commons Attribution (CC BY) license (https://creativecommons.org/licenses/by/4.0/).

n'etiti mmadụ na ibe ya. Ugwuoke, Eze na Akaeze (2021) kwadoro na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi ma bụrụ ihe eji ama mba.

N'ime asụsụ ndị e nwere na Naịjirịa, atọ kacha pụta ihe bụ Hausa, Igbo na Yoruba. Asụsụ Igbo so n'asụsụ epum atọ Federal Republic of Nigeria (2014) kwadoro na a ga na-amụ n'ụlọakwụkwọ Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ ndị e nwere na Naịjirịa na steti ise nke gụnyere: Abịa, Anambara, Ebọnyị, Enugwu na Imo. E nwekwara mpaghara steti Delta na Rivers ebe a na-asụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ epum n'ebe ụmụaka Igbo ndị nne na nna ha na-asụrụ asụsụ Igbo. N'ihi uru asụsụ epum bara n'ịkwalite ogo mmụta nwata mgbe ọ na-etolite etolite, e mere asụsụ Igbo dịka ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ (NPE, 2014). N'ọtụtụ ụlọakwụkwọ dị n'ala Igbo a na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo ma n'ogo praịmarị nakwa ogo sekọndịrị. Nkọwa ha gosiri na asụsụ dị mkpa n'ebe mmadụ na ibe ya nọ maka na ọ bụ ya n'agbazi akparamagwa na omenaala obodo ọbụla.

Asụsụ na omenaala na-agakọ. Ọ bụ ya kpatara e ji amụ omenaala mgbe a na-akụzi asụsụ Igbo. United Nations Educational, Scientific and Cultural Organisation , UNESCO (2006) kọwara na ọ dịghị naanị mkpa ka mmadụ mara iwu na-achị asụsụ, ọ dịkwa mkpa ka ọ mara omenaala asụsụ ahụ maka na ọ bụ ya ga-eme ka ọ mara ihe ndị o kwesịrị ikwu n'ọnọdụ ọbụla.

Omenaala pụtara usoro ebimụndụ ndị. Ọ bụ usoro ebimndụ jikọrọ ala Igbo na agbụrụ ha ọnụ (Eze, 2019). Obodo na otu ọbụla nwere omenaala e ji mara ha . Omenaala ndị a bụ usoro obibi ndụ ha. Usoro obibi ndụ a nwere ike ịgụnye asụsụ, ejiji, nri, nsirihụụwa, ekele na ihe ndị ọzọ. Ọ bụ site na mgbe mmadụ dị na nwata ka a na-akụziri ya omenaala ya. N'agbanyeghị na obodo abụọ nwere ike inwe omenaala ha nwekọrọ ọnụ, a na-enwe ndịiche na ngosipụta omenaala ahụ. Dịka alụmdi na nwunye siri bụrụ omenaala gazuru mba niile, usoro a na-agbaso n'otu obodo abụghị usoro a na-agbaso n'obodo ọzọ (Okanumee, Waya na Nwankwo 2018). N' ịkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ, otu mmebere omenaala a na-akụziri ụmụakwụkwọ bụ akụkọ ifo., a na-akụzikwara ụmụakwụkwọ iri ji ọhụrụ, ịgụ aha, alụmdi na nwunye, akwamozu, ịma akwa, iru mgbede na ndị ọzọ. Ndị Igbo nwere omenaala dị iche iche ji mara ha dịka: ịgọ ọjị, iru mgbede, ịma akwa, ịgba afa na ndị ọzọ. Emenanjo (2010) kọwara na onye Igbo ọbụla bụ nwaafọ/ nwaamadi/nwadiala/nwaọkpụ/nwammadụ) nwere ezinaụlọ a mụnyere ya. O nwere nne na nna na umunne ndị ọzọ. Ezinaụlọ ya nwere ike bụrụ otu mkpuke (usekwu) maọbụ ụbara mkpuke. Ọ bụ na ezinaụlọ a ka a na-ebido akụziri onye ahụ ihe ndị niile o ga-eji too, bụrụ mmadụ, omume ọma na omume ọjọọ, nsọ na arụ, omenaala na ewumewu niile. Ọ bụ asụsụ ka a ga-eji akụziri ya ihe ndị a niile. Ọ bụ n'ezinaụlọ ka a ga-ebido kụzibe nwata maka echiche ndị Igbo n'ihe gbasara ịbụ mmadụ, ọrụ dịịrị ya na akparamagwa ndị a na-atụ anya n'aka ya. N'ezinaụlọ ka a na-agwa mmadụ omenaala maọbụ ihe ndị nwaafọ Igbo ọbụla ji abara ya na ezinaụlọ ya na ndị ọzọ uru. Ilechukwu na Iheme (2018) kọwara na omenaala ndị a bụ ebumpụtaụwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

N'ịkwado nke a, Atụtụ Noam Chomsky (1957) na-akọwa na tupu a mụọ nwata na o nwere ihe chi kenyere n'ime ụbụrụ nke ga-eme ka ọ mụta asụsụ a na-asụ n'ebe a mụnyere ya nke ọ kpọrọ Ngwa Ọmụmụ Asụsụ (NỌA). Ọ kọwara na ọ bụ na NỌA adịghị n'ime anụmanụ mere na ha enweghị ike ịsụ asụsụ ma ya fọdụzie ịkọ akụkọ ifo.

Atụmatụ Chomsky dabara na nchọcha a maka na agụmagụ ọdịnaala bụ ọrụ ụbụrụ. Ọ bụ ọrụ echiche miri emi nke ọ bụ mmetụta nke ime mmụọ na-akpalite. Nke a pụtara na ọ bụrụ na nwata ọ bụla a nọrọ n'ebe a na-akọ akụkọ ifo kwamgbe kwamgbe, ọ ga-ege ntị ma tụlee ya n'echiche ya ma mụta ya n'egbughị oge. Ọ bụ n'ihi na ndị okenye ugbu a nọ gburugburu anaghị enwecha mmasị ịkọrọ ụmụaka akụkọ ifo mere na ụmụaka ejibeghị NỌA ha wee mụrụ ya. Ọ bụ n'ezinaụlọ ka a na-akụziri mmadụ ka ọ kwụba aka ya ọtọ ma jide ogu na ọfọ n'ihe ọbụla ọ na-eme.

Ọ na-abụkarị ọrụ okenye ịnọ na-akọrọ ụmụaka akụkọ. Ọ bụ n'akụkọ ifo ndị a ka e ji akụziri ụmụaka ọtụtụ ezigbo omume maọbụ agwa nke kwesiri ekwesi dịka ịdị uchu n´ọrụ ha, inye mmadụ nsọpụrụ, irube isi, ikwu eziokwu, ije ozi. N'otu aka ahụ kwa, akụkọ ifo na-ezipụta ajọ omume ọbụla dịka ịtụ asị, ime isiike, ịlụ ọgụ, ịdị ngana, ịkparị mmadụ, ịgba asịrị, imegbu mmadụ, ịchọ okwu na ụka, ga-edunye mmadụ n'ịta ahụhụ na ịkwa ngaramara. A bịa n'ezinaụlọ, ụmụ nwoke na-anọdebe nna ha nso. Nna ezinaụlọ na-eji oge ahụ akuziri ha ihe dị iche iche tụmadị ka o si metụta akụkọala obodo ha dị ka agha, iwu obodo na ọchịchị. N'otu aka ahụ, ụmụ nwaanyị na-anọdebe nne ha nso mgbe ọ bụla na-anata nkụzi n'ihe ga-enyere ha aka ịbụ ezigbo nne n'ọdịnihu. Ọtụtụ oge, a na-etinyekwa nkuzi ndị a n'ụdị akụkọ.

Egwu ọnwa na-enyekwa aka ịzụ akwara ụmụaka ka ha wee gbasie ike. Ilechukwu na Iheme (2018) kọwara na a bịa n'oge egwu ọnwa, mmadụ niile na-anọrịkọta ọnụ na mbaraezi wee na-akọrịta akụkọ ifo. Akụkọ ifo bụ ihe ndị mmadụ ji anọrị oge.

E wepụ ịkọ akụkọ ifo, e nwere ọtụtụ egwu a na-egwu n'oge egwu ọnwa. Ha bụ ndị a: ịkpọ ọga, ịwụ ụdọ, ịgba bọọlụ, ịgba ọsọ, ịgba mgba, ịzụ nchọ, akpankolo, kpukpumkpu ogene, zoo ka m chọọ gị. Eze na Umo (2021) kọwara na egwu ọnwa na-eweta ọṅụ mgbe ndị mmadụ rụchara ọrụ ụbọchị ha, maka na ọ bụkwa ohere ụmụaka nwere ha ji agbaghari gbatịa akwara ha nke na-enyere ha aka mgbe ha na-etolite etolite. Ụmụaka na-agbakọ n'ama egwuregwu ma e richaa nri abalị, okenye nọ nso ga-amalite ịkọrọ ha akụkọ ga-enye aka ịgbazi ndụ ha. ọ bụ site n'ụzọ dị etu a ka ụmụaka na-anata mgbazi n'aka nne na nna, ikwu na ibe, ndị agbataobi nakwa site n'aka ndị tọrọ ha. Nke a pụtara na ebe ọbụla a hụrụ nwatakịrị bụ ebe nkuzi. O nwere ike ịbụ oge a na-echu mmiri, eje ịkpata nkụ na ije ugbo.Finnegan (2012) kwadoro na ndị Afrịka na-ejikarị akụkọ ifo na ụkabụilu a kụziri ụmụaka ihe. Ihe ọ pụtara bụ na akụkọ ifo nọ ọnọdụ ka enyo na-ezipụta mbunobi, mmetụtara n'obi tinyere etu e si a hụta maọbụ ghọta ụwa. Ihe ndị a bụ ihe e ji ahazi ndụ ma na-ahazi akparamagwa. N'agbaghi ihe ndị a niile a na-erite n'akụkọ ifo, ọtụtụ ụmụaka oge ugbu a amaghị ihe bụ ma ya fọdụ usoro ịkọ ya. Nke a wee bụrụ enweghi mmasị n'ebe ndị nne na nna nọ maka na ha na-ahụta ya dịka ihe ndị ime obodo.

N'akụkọ ifo, e nwere okwu ndị e ji amalite ya. Ọkọ akụkọ ifo nwere ihe ndị ọ ga-ekwu nwekwaa ihe ndị ngere ga-aza. Ọmụmaatụ:

Ọkọ akụkọ: Ifo Chakpii

Ndị ngere: Wọọ

Ọkọ akụkọ: Oluee

Ndị ngere: Ọyọọ

Ọkọ akụkọ: Nkịta nyara akpa

*Nsukka Journal of the Humanities*, **June 2024**
https://doi.org/10. 62250/nsuk.2024.32.2.110-120


Ndị ngere: Nsị agwụ n'ọhịa

Ọkọ akụkọ: Ọhịa ogwu mara ọkụkọ

Ndị ngere: Anaghị epio ya epio

Site na nke a, a ga-ahụta na ifo abụghị ihe otu onye kama a na-enwe ọtụtụ mmadụ mgbe a na-efo ifo. N'akụkọ ifo, ntọebe nwere ike ịbụ n'ala mmadụ, ala ndị mmụọ, ala ụmụanụmanụ na eluigwe. N'akụkọ ifo, a na-enwe mmefeoke ụfọdụ emereme dịka anụmanụ ịlụ ada mmadụ. Okere (2009) kọwara na obodo ọbụla kpọrọ omenaala ha asị adịghị ebe ha ji azụ aga na mmepe mba. Ndi Japan, China, Korea, ọbụladị ndị India mara nke a. Ọ bụ ya bụ ọgwụ ọganiihu n'ebe ndị a. Ifeka (2017) kọwara na tupu ndị ọcha abịa na a na-enye ụmụaka mmụta n'ala Igbo site n'ịkọrọ ha akụkọ ifo. Na nkụzi omenaala n'ụlọakwụkwọ, otu n'ime ụzọ e si akụziri ụmụakwụkwọ omenaala bụ site n'akụkụ ifo.

Usoro e ji akụzikarị omenaala ndị a bụ usoro ọkpụ ebe onye nkụzi ga-anọ n'ihu ụmụakwụkwọ were naani ọnụ na-akụziri ụmuakwụkwọ omenaala ndị a. Mgbe a na-agụrụ ụmuakwụkwọ agụmagụ Igbo, a na-esi na ya a kụziere ha omenaala Igbo ụfọdụ. Nke a bụ iji hụ na ebumnuche agụmakwụkwọ na Naịjirịa bụ ihe e mezuru. Ebumnuche a bụ ịhụ na a kụziiri ụmụakwụkwọ omenaala ha na nke obodo gbara ha gburugburu (Federal Republic of Nigeria 2013). Onye nkuzi Omenaala Igbo ga-abụ onye nwere ọzụzụ dị ọgọ, mara asusu na omenaala Igbo nke ọma n'ihi na mmadụ anaghị enye ihe o nweghị. Ọ g 1 erịrị nzere mmụta n'asụsụ na Omenaala Igbo n'ogo Mahadum . Onye nkuzı agnaghị iji asụsụ Igbo izugbe wee mere ngwa mgbasa ozi omenaala na ime ka nwata chepụta echiche ọhụụ n'isiokwu a kpụ n'ọnụ mgbe ọ na-akụzi nkuzi. Ọ na-akọrọ ụmụaka akụkọ ifo, ma ọ bụ akụkọ dịka na akụkọ okike, ọ gwa ha laa n'ụlọ jụta nne na nna ha akụkọ ndị ahụ n'otu n'otu.

Ọnọdụ ụmụakwụkwọ inwe mmasị n'ịmụ akụkọ ifo na-alazi azụ nke ukwu n'ụlọakwụkwọ ọkacha dị ka o si metụta ụmụakwụkwọ ogo junịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke Steti Abịa. Nke a bụ n'ihi na ndị nne na nna anaghị akwado ụmụ ha n'ịmụ akụkọ ifo site n'ịkọrọ ha akụkọ ifo n'ụlọ. Ụfọdụ anaghị asụrụ ụmụ ha Igbo n'ụlọ, ma ya fọdụzie ịzụtara ha ụfọdụ akwụkwọ agụmagụ Igbo. Ndị nkụzi n'aka nke ha anaghị eweputa oge ịkọrọ maọbụ idu ụmụakwụkwọ n'ịkọ akụkọ ifo, ebe ụfọdụ anaghị e ji Igbo Izugbe akụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ndị gọọmenti n'aka nke ha anaghị ebunye ụlọakwụkwọ akwụkwọ agụmagụ ọkacha agụmagụ ọdịnaala maọbụ bunye ha ya n'oge. Ọ bụ nke a mere ụmụakwụkwọ enweghi mmasị n'ịmụ akụkọ ifo ji abawanye. Ọzọkwa, a hụtala na ọtụtụ ndị Igbo na-eleda asụsụ, agụmagụ na omenaala Igbo anya. N'ihi nleda anya ụfọdụ ndị Igbo nwere n'ebe asụsụ Igbo dị, nke na-apụta ihe n'etu ha si asụ asụsụ Bekee karịa asụsụ Igbo, ịhụta ndị na-agụ asụsụ Igbo na mahadum dịka ndị na-amaghị ihe, ndị enweghị olile anya na echiche ndị ọzọ. Omume ndị a na-emetụtacha mmasị ụmụakwụkwọ na-enwe ọ kachasị ụmụakwụkwọ nọ n'ogo junịọ sekọndịrị.

Mmadụ inwe mmasị na-esite n'ụdị ọnọdụ onye ahụ hụtara onwe ya. Nwigwe na Ekwenze (2017) kọwara na mmadụ na-enwe mmasị n'ihe, n'ihi ihe ọ ga-erite dị ka uru n'ihe ahụ o nwere mmasị na ya. Mmasị bụ agwa mmadụ na-akpa iji gosi ka ihe si dị ya mkpa maọbụ ka o sighị dị ya mkpa, nke hibere isi n'aka onye nọ n'ọnọdụ ime mkpebi. Ndị mmadụ na, aka enwe mmasị n'ihe ha na-anụ kwa mgbe kwa mgbe karịa nke ha na-anụchara anụchara, tụmadị ụmụaka ala Igbo.

Ụmụaka na-enwekari mmasị site na omenaala agbụrụ ha. Ụmụaka Igbo anaghị enwe mmasị n'akụkọ ifo Igbo maka na ndị nne na nna ma ọ bụ ndị nlekọta anya ha anaghị enye ha ohere mkparịtaụka n'etiti ha na ụmụaka. Ọ bụ ya kpaliri mmụọ ndị nchụcha ileba anya n' usoro dị irè ga-enye aka iwulite mmasị ụmụakwụkwọ sekondịrị nta n'ịmụta akụkọ ifo Igbo n'usoro a ntọala agụmakwụkwọ n' ụlọakwụkwọ dị okpuru ọchịchị Ngwa, Steti Abia, Naịjirịa

## Nsogbu Nchọcha

N'agbanyeghị na Ọtụtụ ndị nchọcha elebaala anya n'akụkọ ifo dịka ụkpụrụ omenaala dị ire e ji akụziri ụmụaka ezigbo usoro ebimndụ, mmasị ụmụakwụkwọ ka na-ala azụ n'ịmụ akụkọ Ifo ọdịnaala Igbo, nke na-ebuta ọdịda na emetaghị nke ọma ụmụakwụkwọ n'ule asụsụ Igbo. Ndị nchọcha na-eche na usoro nkụzi a na-agbasokarị akụzi akụkọ ifo n'ụlọ akwụkwọ bụ usoro ọdịnaala. Oge ụfọdụ, onye nkụzi anaghi akọrọ ụmuakwụkwọ akụkọ ifo ndị ha mara ga emetuta mmụọ ha. Enweghị mmasị nke ụmụakwụkwọ gbasara agụmagụ ọdịnaala okachasị n'ịmụ akụkọ ifo na-ebute emeghị nke ọma na ọdịda ha n"ule Juniọ West African Examination Council (WAEC) na Juiọ National Examination Council (NECO).

Nke a kpaliri mmuo ndị nchọcha ịjụ sị: "kedu usoro dị irè ga-enye aka iwulite mmasị ụmụakwụkwọ sekondịrị nta n'ịmụta akụkọ ifo Igbo n'ụlọakwụkwọ dị okpuru ọchịchị Ngwa, Steti Abia, Naịjirịa?

## Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta usoro a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa na steti Abịa. Nchọcha a ga-elebazi anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

1. Ịchoputa ọnọdụ ọmụmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa.
2. Ilebanye anya na nsogbu ndị ahụ na-ebute enweghị mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo.
3. Ịchọpụta usoro e nwere ike isi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo.

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ ndị a ga-eduzi nchọcha a:

1. Gịnị bụ ọnọdụ ọmụmụ akụkụ ifo ala Igbo n'ụlọakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa?
2. Kedu ihe bụ nsogbu ndị ahụ na-ebute enweghị mmasị ụmụak juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo?
3. Olee usoro e nwere ike isi wulite mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo?

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2024.32.2.110-120


## Usoro Nchọcha

Ụdị usoro e ji mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Eze (2022) kwadoro na ọ bụ usoro e ji akọwa isiokwu e ji n'aka ruo n'usoro nhazi ihe nchọcha ahụ.

Ebe a nọ mee nchọcha a kpọmkwem bụ Isiala Ngwa nọtụ steti Abia. Ihe e ji họrọ okpuru ọchịchị a bụ maka na a hụtara na mmepeanya si na Aba na-abata n'Isiala Ngwa. Ọ bụ nke a mere e ji họrọ ya iji mata ma ụmụakwụkwọ ka nwere mmasị n'ọmụmụ akụkọ ifo Igbo. Ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị niile gọọmentị nwee dị iri n'Isiala Ngwa nọtụ ka e ji mee nchọcha. Aka ọrụ e ji mara ndị Isiala Ngwa nọtụ bụ ịzụ ahịa, ịkọpụta nri, aka ọrụ dị iche iche dịka azụmahịa, ịgba nta, ite nkwụ, na ịkọ ọrụ ugbo.

Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị ogo nke abụọ dị puku abụọ, narị anọ na iri abụọ na itoolu. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị nọ n'Isiala Ngwa nọtụ dị puku abụọ, narị anọ na iri abụọ na itoolu (2, 429) . Ndemsibia: ( *Planning Research and Statistics (PRS)* nke *Post-Primary School Management Board (PPSMB)* 2023 Isiala Ngwa). Ọ bụ ụmụakwụkwọ niile nọ n'ogo junịọ sekọndịrị nke abụọ n'ụlọakwụkwọ gọọmentị nwe dị n'okpuru ọchịchị Isiala Ngwa nọtụ ka e ji mee nchọcha a.

Ndi nchọcha ji usoro tụmbọm tụmbọm sere ụlọakwụkwọ anọ n'ime ụlọakwụkwọ niile dị n'okpuru ọchịchị ahụ. E sekwara ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị nke abụọ dị narị abụọ (200) n'okpuru ọchịchị a.

Ngwa nchọcha njụmaza isiokwu ya bụ Usoro iwulite Mmasị Ụmụakwụkwọ Junịọ Sekọndịrị N'ịmụ Akụkọ Ifo (UỊMỤJSIAI) n'ime okpuru ọchịchị Isiala Ngwa nọtụ nke steti Abịa ka e ji mee ya bụ nchọcha. Ajụjụ dị na njụmaza dị iri na ise (15) n'ọnụọgụ nke ndị nza ajụjụ nyere ọsịsa site n'itinye (√) n'igbe bu ọsịsa ha chọrọ.

Ndi nchọcha nyere ndị ọkammụta atọ sitere na ngalaba Mmụta Nka na ngalaba Sayensị na Mahadum Naịjirịa, Nsụka ngwa nchọcha nke ha lebara anya ma kwenye na ọ dabara n'isiokwu nchọcha e ji ya eme. E meziri ndejọ niile ndị ntụziaka rụtụrụ aka .Iji mata ntụkwasị obi dị na ngwa nchọcha (UỊMỤJSIAI) ndi nchọcha nwalere ya n'ụlọakwụkwọ Community Secondary school Edeoballa Nsụka n'isi ụmụakwụkwọ dị iri abụọ (20) n'ọnụọgụ nke gosiri ntukwasiobi n'ogo 0.89. Nke a gosiri na ngwa nchọcha a dabara na nchọcha e ji ya eme. Ndi nchọcha haziri ihe e nwetara na nchọcha a site n'igbaso usoro ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe. Ndịna ajụjụ ọbụla nwetara akara miin bidoro na 2.50 gbagowe ka anabatara dịka nkwenye n'ihe a jụrụ n'ajụjụ, ebe nke erughi 2.5 maobu 2.49 bụ nke anabataghị (ekwenyeghị). Dika: Ekwesiri m ike = 4 , Ekwere m =3, Ajụrụ m = 2, Ajụsiri m ike = 1.

**Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ:** Gịnị bụ ọnọdụ Ọmụmụ Akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa?

**Tebulu nke Mbụ:** Ọsịsa miin na ndịnizugbe ndị nchọcha nwetara maka ọnọdụ ọmụmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa.

| ỌNỤỌGỤ | NDỊNA | EI | E | A | AI | MIIN | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Ndị nkuzi anaghị akọrọ ụmụakwụkwọ akụkọ ifo ugboro | 20 | 19 | 9 | 2 | 3.59 | 0.76 | Ekwenyere |

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2024.32.2.110-120


| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | ugboro n' n'izuụka . | | | | | | | |
| 2. | Ụmụ akwụkwọ anaghị akọ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ | 15 | 29 | 1 | 15 | 3.27 | 0.90 | Ekwenyere |
| 3. | Enweghi ugboro ole a na-enwe ọmụmụ agụmagụ n'izuụka | 18 | 23 | 5 | 4 | 4.00 | 0.30 | Ekwenyere |
| 4 | Mmadụ ole na ole na klasị na-akọta akụkọ ifo nke ọma | 30 | 12 | 8 | 0 | 2.73 | 1.09 | Ekwenyere |
| 5. | E nwezuru ngwa nkuzi e ji akụzi agụmagụ/akụkọ ifo enwezu | 10 | 28 | 8 | 4 | 2.06 | 0.21 | Ekwenyeghi |
| | **Mkpokọta ọnụ akara miin =** | | | | | **3.14** | **0.79** | **Ekwenyere** |

Tebulu nke mbụ gosiri ọsịsa miin na ndịnizugbe gbasara ọnọdụ ọmụmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa. Tebulu a gosiri na ndịna nke mbụ, nke abụọ, nke atọ, nke anọ na nke ise nwere miin dị n'agbata 3.0 ruo 4.0. Miin ndị a kariri 2.50 bụ nke e ji eme mkpebi nke a putara na ndịna nke mbụ, nke abụọ, nke atọ, nke anọ na nke ise kwenyere na ihe ndị ahu na-emetụta ọnọdụ ọmụmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa. Ọzọkwa, ndịpụ n'izugbe nke ndịna nke mbụ ruo na nke ise bidoro na 0.00 ruo 1.09 gosiri na ndị nza ajụjụ njụmaaza ji otu olu nwee nkwenye ha.

**Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ:** Kedu nsogbu ndị ahụ na-ebute enweghi mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa?

**Tebulu nke Abụọ:** Ọsịsa miin na ndịnizugbe gbasara Nsogbu ndị ahụ na-ebute enweghi mmasị ụmụakwụkwọ juniọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo.

| ỌNỤỌGỤ | NDỊNA | EI | E | A | AI | MIIN | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 6. | A na-eji Igbo Izugbe akụziri ụmụakwụkwọ akụkọ ifo | 20 | 19 | 9 | 2 | 3.58 | 0.69 | Ekwenyere |
| 7. | Ụmụakwụkwọ na-eme ihere na klasị ịkọ akụkọ ifo | 15 | 29 | 5 | 1 | 3.58 | 0.72 | Ekwenyere |
| 8. | Naanị ụmụakwụkwọ ole na ole mara asụ Igbo Izugbe na klasị | 18 | 23 | 5 | 4 | 3.42 | 1.02 | Ekwenyere |
| 9. | Ụmụakwụkwọ na-azụta akwụkwọ agụmagụ Igbo na klasị adighị ọtụtụ | 30 | 12 | 8 | 0 | 3.79 | 0.73 | Ekwenyere |
| 10. | Ụmụakwụkwọ ụfọdụ nwere onyonye Tiivi n'ụlọ ha. | 10 | 28 | 8 | 4 | 3.68 | 0.82 | Ekwenyere |
| | **Mkpokọta ọnụ akara miin =** | | | | | **3.68** | **0.82** | **Ekwenyere** |

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2024.32.2.110-120


Tebulu nke abụọ na-egosi ọsịsa miin na ndịnizugbe a gbakọtara n'ihe ndị ahụ na-ebute enweghi mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ọmụmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa. Site na tebulu ndịna nke isii, asaa, asato na nke iteghete, ha kwenyere na Ụmụakwụkwọ na-eme ihere na klasị ịkọ akụkọ ifo nke gbakọtara miin 3.68 ruo 3.68. Miin ndị a kariri 2.50 nke e ji eme mkpebi. Ihe nke a na-egosi bụ na ihe ndị ahụ a gụpụtara na ndịna nke isii ruo nke iri bụgasi nsogbu ndị ahụ na-akpata na ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị enweghị mmasị n'ọmụmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa. Ndịpụ n'izugbe nke ndịna ise na-egosi na ndị nza njumaaza ji otu olu mee nkwenye ha.

**Ajụjụ Nchọcha nke Atọ:** Olee ụzọ dị ire a ga-esi wulite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ kụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa?

**Tebulu nke Atọ:** Ọsịsa miin na ndịnizugbe maka ịwlite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa.

| ỌNỤỌGỤ | NDỊNA | EI | E | A | AI | MIIN | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 11. | Gọọmenti anaghị ebunye ụmụakwụkwọ akwụkwọ agụmagụ akụkọ ifo kwa afọ. | 20 | 19 | 9 | 2 | 3.78 | 0.42 | Ekwenyere |
| 12. | Ndị nne na nna anaghị akọrọ ụmụakwụkwọ akụkọ ifo n'ụlọ ha | 15 | 29 | 5 | 1 | 3.85 | 0.36 | Ekwenyere |
| 13. | Ndị nkuzi anaghị enye ụmụakwụkwọ kọtara akụkọ ifo ihe nrite | 18 | 23 | 5 | 4 | 3.90 | 0.30 | Ekwenyere |
| 14 | Ụlọakwụkwọ anaghị amapụta oge pụrụ iche maka ịkọ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ | 30 | 12 | 8 | 0 | 3.65 | 0.78 | Ekwenyere |
| 15. | Ndị nkuzi anaghi eji ngwa nkụzi kwesiri ekwesi akụzi akụkọ ifo | 10 | 28 | 8 | 4 | 3.77 | 0.59 | Ekwenyere |
| | Mkpokọta ọnụ akara miin = | | | | | 3.14 | 0.79 | Ekwenyere |

Tebulu nke atọ nke ọsịsa akara miin na ndịnizugbe bu 3.14 na-egosi ụzọ a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abị. Ọsịsa e nwetara na ndịna nke iri na otu ruo na nke iri na ise nwere miin dị n'agbata 3.77 ruo 3.90. Miin ndị a kariri 2.50 bụ nke e ji eme mkpebi. Akara miin ndị a gosiri na Ụlọakwụkwọ ịmapụta oge puru iche maka ịko akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ na ihe ndị ọzọ dị na ndịna nke iri na otu ruo na nke iri na

ise bụgbado ụzọ isi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa.

## Nchịkọta Ihe A Chọpụtara

Site na rịzọlt nchọcha e depụtara n'elu ebe a, ndị nchọcha chọpụtara na:

1. Ọ bụ mmadụ ole na klasi na-akọta akụkọ ifo nke ọma.
2. Nkwado nne na nna na-enye ụmụaka n'ụlọ maka omenaala Igbo sogasi n' ihe na-ebute enweghị mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ọmụmụ akụkọ ifo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa.
3. Ndị nkuzi ga na-eji ngwa nkụzi dabara adaba akuzi akụkọ ifo.
4. Ndị nkuzi ga na-enye ụmụakwụkwọ kọtara akụkọ ifo ihe nrite iji kpalite mmasị ha n'isonye na-akọta akụkọ ifo.
5. Ndi nne ga-agba mbọ na-akọrọ ụmụakwụkwọ akụkọ ifo n'ụlọ ha.
6. Gọọmenti ga-agba mbọ na-akwado omenaala Igbo site n'ịdị na-ebunye ụlọakwụkwọ dị iche iche akwụkwọ agụmagụ akụkọ ifo kwa mgbe kwa mgbe.

## Mkparịtaụka N'ihe a chọpụtara

Nchọpụta gbasara Ọnọdụ Ọmụmụ Akụkọ ifo Ala Igbo N'ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị na tebulu nke mbụ, gosiri na miin e nwetara n'ọsịsa ụmụakwụkwọ, anaghị eweputa ọtụtụ oge maka akụkọ ifo ala Igbo n'ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Ngwa. Ọzọkwa, enwezughi ngwa nkụzi e ji akụzi akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ. Nke a mere ka ụmụakwụkwọ ndị na-akọta akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ laa azụ nke na-egosi na mmasị ha adịghị n'ịmụ akụkọ ifo ala Igbo. Nke a dabara na nchọpụta Onyeisi ule WAEC Junịọ (2021) gosiri na: ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n' agụmagụ ọnụ, nke akụkọ ifo bụ otu n'ime ha, nke gosiri na ndị nkụzi eweputaghi ohere maka ịmụ na ịkọ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ. Ọ gakwara n'ihu tuo alo ka a na-amapụta ohere pụrụ iche maka agụmagụ ọnụ nakwa iji ngwa nkụzi kwesiri ekwesi, inye ụmụakwụkwọ ohere pụrụ iche ka ha bido ịgụ akwụkwọ agụmagụ ọnụ ndị a họpụtara bido n'ogo agụmụakwụkwọ nta , ka ha na-akọ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ dịka ụzọ pụrụ iche a ga-esi mee ka ụmụakwụkwọ na-eme nke ọma karia n'akụkụ agụmagụ n'ule Junịọ WAEC.

N'ọsịsa e nwetara n'aka ụmụakwụkwọ na tebulu nke abụọ, a hụtara na ọtụtụ ọnụọgụ ụmụakwụkwọ na-eme ihere ma a kpọlite ha ka ha kọọ akụkọ ifo, ọtụtụ n'ime ha bụ olu Ngwa bekee maọbụ pijin ka a na-asụrụ ha n'ụlọ, ọtụtụ anaghịkwa azụ akwụkwọ agụmagụ ọnụ ebe ọtụtụ zara na ndị nkụzi anaghị enye ha ihe nrite ma ha kọọ akụkọ ifo ala Igbo. Nke a mere na miin na ndipu n'izugbe e nwetara na ndịna ndị a gbagoro elu iji gosi ihe ndị ahụ bụ nsogbu na-echere ụmụakwụkwọ aka mgba n'inwe mmasị n'ọmụmụ akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị nke okpuru ọchịchị Ngwa. Nke a bịara dabaa nke ọma na nchọpụta Ilechukwu na Iheme (2018) kwuru na enweghi mmasị ụmụaka Igbo n'akụkọ ifo ala Igbo bụ maka na ndị nne na nna na ndị nlekota ụmụaka anaghị enye ha ohere mkparịtaụka. Ọzọkwa Wilson, Mcọuige, Thompson McConnachie na Alex (2013) kwenyekwara na ọ bụ oke igwe onyonyo a na-etinyere ụmụaka karia ịdị na-akpanyere ha ụka na-ebutere ụmụaka ịda mba n'agụmagụ ha ma na-adoghachi mmasị ha n'agụmagụ, nke akụkọ ifo bu otu n'ime ha.

Ọsịsa ụmụakwụkwọ n'ajụjụ ndị dị na tebulu nke atọ nke miin ha karịchara 2.5 gosiri na ndị nchọcha na ụmụakwụkwọ kwenyere na aro ndị nchọcha tụpụtara gasịrị dịka ụzọ a ga-esi wulite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo ala Igbo. Na ndịna dị na ajụjụ nchọcha nke atọ a, a chọpụtara na gọọmenti ibunye ụmụakwụkwọ akwụkwọ agụmagụ ọnụ, ndị nne na nna ịdị na-akọrọ ụmụaka ha akụkọ ifo n'ụlọ, ndị nkuzi inye ụmụakwụkwọ kọtara akụkọ ifo ihe nrite tinyekwara ịmapụta oge pụrụ iche maka akụkọ ifo ala Igbo n'ụlọ akwụkwọ, ya na iji ngwa nkuzi kwesiri ekwesi akụzị akụkọ ifo bụ ụzọ a ga-esi kwalite mmasị ụmụakwụkwọ n'ịmụ akụkọ ifo ala Igbo. Nwigwe na Ekwenze (2017) kọwara na mmadu na-enwe mmasị n'ihe, maka ihe ọ ga-erite dị ka uru n'ihe. Nchọpụta ndị a bịara dabaa nke ọma na nchọpụta ajụjụ nchọcha.

## Mmechi

Site na ọsịsa e nwetagasiri na nchọcha a, a ga-ahụta na e nwere ọtụtụ usoro a ga-esi wulite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị n'ịmụ akụkọ ifo ala Igbo n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa. Usoro ndị ahụ gụnyere: Gọọmenti ịdị na-ebunye ụmụakwụkwọ akwụkwọ agụmagụ akụkọ ifo kwa afọ nakwa n'oge, ndị nne na nna ịdị na-akọrọ ụmụ ha akụkọ ifo n'ụlọ, ndị nkụzi ịdị na-enye ụmụakwụkwọ kọọrọ akụkọ ifo ihe nrite, ụlọakwụkwọ imaputa oge pụrụ iche maka akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ tinyekwara ndị nkuzi idi na-eji ngwa nkụzi dabara adaba akụzị akụkọ ifo. Ihe ndị a ma ọ bụrụ na etinye ya n'ọrụ ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ịmụta ezi agwa site n'akụkọ ifo ndị ahụ, ọ ga-eme ka ha na-eme nke oma n'ule WAEC na NECO n'agụmagụ ọnụ. Ha ga-amụtakwa ka e si asụ Igbo nke ọma, ha e were bụrụzie ndị mara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ Igbo n'izugbe.

## Ntụnye Aro

1. Ndị na-ahazi ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ kwesiri imapụta oge dị iche maka akụkọ ifo n'ụlọakwụkwọ n'ihi na ụmụakwụkwọ ga-esite na ya mụta ezi agwa nakwa ịsụ asụsụ Igbo nke ọma.
2. A ga na-achịkọbara ndị nkụzi ọzụzụ kwa mgbe kwa mgbe maka iji ngwa nkuzi akuzi akụkọ ifo.
3. Ndị gọọmenti kwesiri ịdị na-ewepụta ego pụrụ iche, maka ngwa nkụzi na akwụkwọ agụmagụ e ji akụzi akụkọ ifo .
4. Gọọmenti kwesiri ịdị na-akpọkọ ọgbakọ wọkshọpụ kwamgbe kwamgbe ebe a ga na-akọwara ndị nne na nna ọkachasị ndị nkuzi usoro nkuzi dị ire maka iwulite mmasị ụmụakwụkwọ nakwa mkpa o di ịdị na-akọrọ ụmụ ha akụkọ ifo n'ụlọ..
5. Ndị isi ụlọakwụkwọ kwesiri iguzobe ihe nrite puru iche maka ịja ụmụakwụkwọ ndị kọtara akụkọ ifo nke ọma ike

## Nchikọta Nchọcha

Ndị nchọcha chọpụtara na enyeghị ụmụaka ohere n'ụlọ ịkọ akụkọ ifo, enyeghị ụmụakwụkwọ kọrọ akụkọ ifo ike nrite, ejighi ngwa nkụzi kwesiri ekwesi akụzi akụkọ ifo, ụlọakwụkwọ ewepụtaghị oge pụrụ iche maka akụkọ ifo, gọọmenti ebunyeghi ụmụakwụkwọ akwụkwọ agụmagụ akụkọ ifo nakwa ndị nne na nna anaghị akọrọ ụmụ ha akụkọ ifo n'ụlọ bu ihe ndị na-ebute ụmụaka enweghi mmasị n'imu akụkọ ifo

https://doi.org/10. 62250/nsuk.2024.32.2.110-120


ala Igbo. Ya mere na ọ bụrụ na e tinye ihe ndị ahụ a kpọgasịrị aha n'ọrụ, ọ ga-ewulite mmasị ụmụakwụkwọ junịọ sekọndịrị elu n'ịmụ akụkọ ifo ala Igbo n'ụlọakwụkwọ anyị gasi okacha n'okpuru ọchịchị ime obodo Ngwa nke steti Abịa.

## Nrụaka


Emenanjo, E. N. (2010). *Sọmayịna: Ike otu onye na ndị ndị Igbo: Agụmagụ nke ise maka ncheta Chief (Dr) F.C. Ogbalụ*. Varsity Publishing.

Eze, R. I., & Umo, C. U. (2021). *Ụtọasụsụ na Omenaala Igbo Maka Sinịọ Sekọndịrị (Mbigharị)*. Merit International Publishers.

Eze, R. I. (2018). Video compact disk instructional package: An effective media for teaching and learning Igbo folklore and tradition among secondary school students in Nsukka education zone. In G. I.Nwaozuzu, P. U. Okpoko, B. M. Mbah, & N. O. Ahamefula (Eds.), *Igbo institutions and leadership,* pp. 5-29. Centre for Igbo Studies.

Eze, R. I. (2020). *Nka usoro nchọcha n'asụsụ Igbo*. Chuka Educational Publishers.

Federal Republic of Nigeria. (2014). *National policy on education* (revised). Federal Government Press.

Ifeka, O. (2019). Ndụ ndị Igbo: Etu ha si eji ilu emedaobi n'ọgbaaghara dị n'etiti ha. *Igbo Scholars: International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria,* 12(1), 101-108.

Ifeka, O. R. (2017). Agụmagụ ọnụ ọdịnaala dịka akọrọngwa iduuazị; ileba anya n'agụmagụ ndị a họrọ. Retrieved on 24/8/2022 from https://www.researchgate.net/publication/336497493.

Ihedigbo, R. E. (2017). Theme and style in Igbo birth songs. *Amụma PhD*, Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjịrịa ndị ọzọ, Mahadum Naịjịrịa, Nsụka.

Ilechukwu, D. I., & Iheme, J. O. (2018). Ụmụaka Igbo enweghị mmasị n'asụsụ Igbo: Mkpatara na mgbochi ya. *Odezuruigbo Jọnal, 2*(1), 168-182.

Isidienu, I. C. (2018). Ebe a ga-ahụ nsirihụndụ ndị Igbo. *Odezuruigbo Jọnal, 2*(1), 1-20.

Nneke, C. A. (2019). Ọnọdụ abụ ntọaja n'emume achụmnta n'Ọmabala. *Odezuruigbo Journal, 3*(1), 127-138.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenaala na ọdịnaala ndị Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Okafor, C. N., & Akpamgbo, E. U. (2020). Igbo folktales: Corrective tools for child development. *Nigerian Journal of African Studies (NJAS), 2*(1), 1-13.

Ossai, R. C., Eze, R. I., Chineke, S., & Uwakwe. (2020). Computer: An innovative instructional material for development of entrepreneurial skills in teaching and learning English language for sustainable development. *Review of Education, Institute of Education Journal, University of Nigeria Nsukka,* 32, 978-258-10-6.

Ugwu, C. I. (2010). Folklore in Igbo society: A panacea to the threat of home video. *African Journal of Local Societies Initiative, 7*, 45-51.

Ugwuoke, P. E., Eze, R. I., & Akaeze, C. M. (2021). Itule na ikụzi omenala alụmalụ ndị Igbo site agụmagụ udokamma n'ogo sekọndịrị nta. *International Sapient Global Journal of Arts, Humanities and Development (SJOJAHDS),* 4(2), 122-130.


---

**Publisher's Note/Disclaimer:** The statements, opinions, and data contained in all publications are solely those of the individual author(s) and contributor(s) and not of NJH. NJH disclaims responsibility for any injury to people or property resulting from any ideas, methods, instructions, or products referred to in the content.